# Akparamagwa ndị na-anaghị asụ Igbo n’ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị: Ọkachasị na ngalaba ụlụ akwụkwọ ọmụmụ ihe izugbe Mahadum Naịjirịa, Nsụka

[1]Dioka, O. B.,[2]Ọbayị, I. J. na[3]Udensị,E.P.
[1]*Centre for Igbo Studies. University of Nigeria, Nsukka*
[2,3]*Humanities Unit, School of General Studies, University of Nigeria, Nsukka*

**Ụmị**

Nchọcha a na-eleba anya n’ụfọdụ agwa, nke ndị na-anaghị asụ Igbo, na-akpa ma ọ bụ na-eme n’ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Ebumnobi ihe ọmụmụ a bụ mkpatara na mmetụtara akparamagwa ndị na-anaghị asụ asụsụ Igbo na-akpa n’ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Oke nchọcha a jedebere n’ụmụ akwụkwọ ndị na-abụghị ndị Igbo n’ihe ọmụmụ GS 208 nke Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ ọmụmụ nsinọgụ isi nke Tolmen. Nka nchọcha adịm nkọwa ka a gbasoro mee nchọcha. Ngwa nchọcha njụmaza ka e ji nweta ihe e jiri mee nchọcha. Ọnụ ọgụgụ ndị e jiri mee nchọcha a dị mmadụ otu narị n’ime mmadụ narị abụọ na iri atọ na isii (236) bụ ndị ụmụ akwụkwọ anaghị asụ Igbo nọ na ngalaba dị iche iche mụrụ G.S. 208 na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. E ji usoro tụmbọm tụmbọm nweta ndị nnọchite anya n’ọnụ ọgụ ndị e ji mee nchọcha. Usoro ọnụ ọgụ nkọwa ka e jiri kọwaa njirime ndị e wekọtara e ji mee nchọcha. Nchọpụta gosiri ọtụtụ ihe nke gụnyere na ụfọdụ ndị nkụzi Igbo na Mahadum ejighi ngwa, ndị ha kwesiri iji, kpalite mmụọ ụmụ akwụkwọ; nke a na-eme ka ihe ọmụmụ bụrụ ihe siiri ha ike ịmụta. Ọzọ kwa, ọtụtụ n’ime ụmụ akwụkwọ ndị a hụrụ ihe ọmụmụ a dị ka otu n’ime atụmatụ agụmakwụkwọ na-enweghi ebe ọ ga-edu ha aga karịa n’ogige Mahadum. Ndị nchọcha tụrụ aro sị na ọ dị mkpa ịkwalite na ibuli mmụọ ndị na-abụghị ndị Igbo na-amụ Igbo ka mkparịta ha na-adị mfe.

**Okwu igodo:** *akparamagwa, ọmụmụ ihe, asụsụ na asụsụ Igbo*

## Mkpọlite

Mkparịta ụka agaghị enwe isi ma asụsụ adịghị ya. Asụsụ bụ akara ọ bụla ndị mmadụ ji akparịta. Obodo ọ bụla na-eketa otu asụsụ. Asụsụ ọ bụla na-enwe olu dị iche iche. Iji maa atụ, e nwere asụsụ ndị dị ka asụsụ Igbo, Awụsa, Yoruba na Tiiv. Ndị a bụ asụsụ mana e nwere olu mebere asụsụ ndị a. Dị ka Agha (2006) siri kwuo, asụsụ bụ ike e ji enweta ma na-eji usoro dị iche iche akparịta ụka, ọkachasị iji ike nke mmadụ akparịta ụka; ya bụ, asụsụ bụ otu n’ime usoro ahụ. Asụsụ dị oke mkpa na nkụzi na ọmụmụ ihe. Ọhaegbu (2010) kọwakwuru sị na asụsụ bụ usoro siri ike e ji ezikọrịta ozi ọnụ site n’onye na-ekwu okwu rute n’onye na-anụ anụ ma ọ bụ onye a na-agwa okwu. Ọ bụ usoro a haziri ahazi, nke pụtara na a haziri mpaghara ya niile ma jikọta ha ọnụ. Asụsụ bụ otu n’ime ihe kacha mkpa ndị e ji mara mmadụ. Ọ bụ ụgbọ na-ebu mkparịta na ọmụmụ.

Abekah (2009) kcwara na mmepe e nwere n’ebe na obodo ọ bụla bụ asụsụ ka e ji mee ya; ọ gbakwụnyere sị na e wepụ nkụzi asụsụ, o nweghị obodo ọ bụla ga-ahụ mmepe n’ụzọ ọ bụla. Dị ka o si kwuo, ndị nkụzi na-azụpụta ndị e ji arụ ọrụ n’obodo gbaa gburu gburu ma ndị nkụzi asụsụ na-enye ụmụ akwụkwọ ha ngwa eji akparịta ụka ma na-azụkọrịta ahịa. Onye matarala asụsụ nweziri ike ịbanye mahadum na ụlọ akwụkwọ ndị ọzọ ịgụ kọọsụ ọ bụla na ngalaba ma malite na-enye aka n’ụzọ nke ha na mmepe obodo.

Ụwa jụpụtara na asụsụ dị iche iche ma asụsụ ọ bụla n’ime ha ka e ji amata otu agbụrụ na otu òtù asụsụ. Uru asụsụ Igbo bara na njirimara ndị Igbo abụghị ihe a ga-ekwu a sị ekwufela ya (Igbokwe, 2013). Asụsụ dị ka Ọbayị (2018) siri kwuo abụghị ihe e ji egwuri egwu. Ndị mmadụ si n’agbụrụ dị iche iche bụ asụsụ ha na-asụ ka e jiri mara ha. Iji kwenye na nke a, Oyelami

(2008) nke dị n'Ọbayị (2018) chọpụtara na enwere ọtụtụ asụsụ dị iche iche n'ụwa; ụfọdụ n'ime ha ka a kpọrọ asụsụ ndị bụ isi pụtara ihe ebe ndị ọzọ bụ asụsụ obere nke sitere n'ọnụ ọgụ ndị na-asụ asụsụ ahụ. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ ọ bụla dị mkpa ma dịkwa iche, a ga-echekwa ya nke ọma.

Asụsụ Igbo so n'otu n'ime asụsụ ndị ahụ e ji eme ihe n'ala Naịjirịa ma bụrụkwa otu n'ime asụsụ pụtara ihe n'asụsụ Naịjirịa, nke e ji akụzi ma na-amụ ihe maka mmekọrịta ọha na eze; abụọ ndị ọzọ bụ asụsụ Awụsa na asụsụ Yoruba n'otu n'otu.Ebe a na-asụ asụsụ Igbo bụ na ndịda ọwụwa anyanwụ ala Naịjirịa nke gụnyere steeti ndị a: Abịa, Anambra, Enugwu, Ẹbọnyị, Imo na mpaghara Dẹlta na Rivers. Asụsụ izugbe hibere isi n'olu Owere na Ụmụahịa (Umo, 2013). Na mgbakwụnye, Ọnụkawa (2014) kọwara na ọ bụ ihe mgbawa obi na ndị nwe asụsụ Igbo amaghị iji asụsụ Igbo ede ma na-agụ ihe. Ha na-asụ, agụ ma na-ede asụsụ Bekee na asụsụ ndị ọzọ masịrị ha karịa asụsụ ha ma chefuo na onye tụfuru asụsụ ya atụfuola njirimara ya na ebe o si.Nke a na-akọwa na asụsụ Igbo dị oke mkpa n'asụsụ ndị Naịjirịa, n'ihi ya, ndị gọvment etiti kwadoro ya. Ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ anyị dị iche iche abụrụla okwu a kpụ n'ọnụ n'obodo anyị.

Nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ga-enye aka n'inye ụmụ aka anyị ezi nnabata. Ọ ga-enyere ha aka ịghọta na e wepụ asụsụ Bekee ha na-anụ n'ụlọ akwụkwọ, asụsụ olu nne ha dịkwa ezigbo mkpa, n'ihi na asụsụ ala onye bụ ihe e ji ama ya. Ọ bụ ihe doro anya na obodo ọ bụla na-enwe ndị nwe obodo na ndị bịara abịa.Ọ bụ otu ụlọ akwụkwọ ka ha niile na-aga ma ndị nwe ala ma ndị bịara abịa. Ịmụ Igbo n'ezie emeela ka egwu jide ndị na-abụghị ndị Igbo ọkachasị n'ihe gbasara ime ọmụmụ GSP 208 bụ ihe ọmụmụ a na-amụ na ngalaba ọmụmụ ihe izugbe (GS) nke Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Ha na-ahụta ọmụmụ asụsụ Igbo bụ otu n'ime ha ka ihe nkụzi nkịtị tara akpụ. Nke na-eme ha anaghị eji ya akpọrọ ihe. Ha anaghị ege ntị n'ihe ọmụmụ a. Ebe ọ bụ ndị ọcha webatara asụsụ Bekee, a mata ya, na-asụ ya, na-agụ ma na-edekwa ya, ọ bụkwa ihe ga-ekwe omume na ndị na-abụghị ndị Igbo ga-amụtakwa asụsụ Igbo na-enweghi nsogbu ọ bụla ma ọ bụrụ ma ha nwee mmasị na ya. Nchọcha a bụ akparamagwa ndị na-abụghị ndị Igbo n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo ga-ekepụta echiche miri emi n'uche ụmụ akwụkwọ na ndị nkụzi ndị nọ na Mahadum ọkachasị na ngalaba ụlọ akwụkwọ ọmụmụ ihe izugbe bụ GS nke Mahadum Naịjirịa. Ọ ga-eme ka ndị nwe ala mara mkpa asụsụ epum ha dị n'obodo.

Asụsụ bụ ngwa dị oke mkpa nwere ọdịdị dị iche ma dịkwa mkpa maka mbunuche mkparịta ụka. Nke a pụtara na asụsụ nwere ọdịdị, ya bụ, etu e si ede ma na-asụ ya. Obodo ọ bụla nwere asụsụ nke onwe ha nke bụ akara omenala ha e jiri mara ha. Ọgụgụ na odide ọ bụla, nke asụsụ Igbo so n'otu n'ime ya, bụ otu n'ime nsogbu e nwere n'ala anyị. Mmekọrịta na mkparịta n'etiti mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa site n'iji asụsụ Igbo nke bụ otu n'ime asụsụ ala obodo e nwere bụ nnukwu nsogbu. Ihe ọmụmụ a lebara anya n'ụfọdụ ihe ndị dị ka akparamagwa, ejighiihe kpọrọ ihe na nleda anya nke a na-ahụ n'ebe ndị na-amụ asụsụ Igbo nọ bụ nke a hụtara dị ka ụfọdụ nsogbu na-echere ọsụsụ na odide asụsụ Igbo aka mgba ọkachasị etu o si metụta ndị na-anaghị asụ asụsụ Igbo. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ndị a na-ahụ ọmụmụ asụsụ Igbo dị ka ihe na-enweghi ebe ọ ga-edu ha aga ma ha gụchaa Mahadum. N'ihi ya, ha anaghị etinye uche na ya.

Mbunuche izugbe nke dị n'ihe ọmụmụ a bụ ilenye anya n'akparamagwa ndị na-anaghị asụ Igbo na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihe ọmụmụ GSP 208, nke Mahadum Naịjirịa Nsụka. Mbunuche nchọcha a kpọm kwẹm gụnyere inyocha ihe na-ebute akparamagwa ndị na-anaghị asụ asụsụ na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị ya na ịchọpụta ihe akparamagwa a na-ebute n'ebe ọmụmụ dị.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu**

**Akparamagwa**

Akparamagwa bụ ihe gbasara agwa, echiche na mmetụta obi, nke onye nke e ji na-akọwama na-amata mmadụ. Agwa nwere ike ịbụ nkọwa nke ọma ma ọ bụ nke ọjọọ. Dị ka Eagly na Chaiken (1998: 278) kwuru, agwa bụ omume mmadụ na-egosịpụta site n'inyocha otu onye n'ụdị inwe ihu ọma ma ọ bụ ihu ọjọọ. Ọ ka mma ịkọwa agwa dị ka ntachi obi, nke na-emetụta ime mmụọ nakwa ahụhụ ha na-ata, ndị nwere ka o si metụta akparamagwa ha (Mansur,Tan,& Lee, 1989). Ọ bụ etu e si akpa agwa ma ọ bụ etu e si eme omume. Ọzọ kwa, Strauss (1996:180) kọwara na agwa bụ ụzọ echiche mmadụ ọ bụla na-egosịpụta, nke bụ ezigbo ya, ọrụ nwere ike ịbụ maka mmadụ ọ bụla nọ n'ụwa. Ọ bụ ihe omume, nke mmadụ ọ bụla na-egosịpụta, n'usoro agwa ntachi obi ya ma nke ọma ma nke ọjọọ site n'inyocha mmetụta obi, n'ihe ọ na-eme na mbụ, ugbu a n'ịrụtụ aka n'ihe a na-ahụ anya.

**Ọmụmụ**

A kọwaala ọmụmụ n'ụzọ dị iche iche site n'aka ndị ọka mmụta dị iche iche. A na-ahụ ya dị ka ụzọ ebe ihe omume si pulite ma ọ bụ ebe o si agbanwe site n'imegharị ọnọdụ niile ma ọ bụrụ na njirimara mgbanwe ihe omume agaghị ekwe nkọwa dị ka etu ihe okike, ihe nzaghachi, ntozu oke ma ọ bụ ọnọdụ nwa mgbe nta nke ihe dị ndụ sịrị dị (Hilgard, 1962). Ọtụtụ ndị ode akwụkwọ dị ka Mbanugo (2006) na Ọnwụekwe (2014) hụrụ ọmụmụ ihe n'ụzọ izugbe dị ka ụzọ nke na-ebute mgbanwe n'omume na akaparamagwa mmadụ ọ bụla n'ihi ahụmihe, nke sitere na nkwekọrịta dị n'etiti mmadụ ahụ (onye ọmụmụ) na gburu gburu ya. Ọmụmụ ihe nwere ike ịbụ nke ọma ma ọ bụ nke ọjọọ. Akparamagwa ọmụmụ ihe n'anya ndị mmadụ ma ọ bụ etu ọha mmadụ si kwekọrịta ma nabata ya ka e nwere ike ịkpọ ọmụmụ ihe nke dị mma, ebe ọmụmụihe nke ahụ obodo na-anabataghị ka e nwere ike ịsị na ọ bụ ọmụmụihe nke ọjọọ.

Akparamagwa ọmụmụ ihe nwere ike imepụta nsogbu, nke a chọrọ ma ọ bụ nke a na-achọghị; iji maa atụ, onye ọ bụla ma ihe, nwerela ahụmihe dị iche n'ala anyị, nwere ike isite n'ọmụmụ ihe ya, wepụta njem ga-eweta ọganihu, udo na ịdịn'otu n'obodo anyị. Ụdị amamihe a ka e nwere ike ịsị na ọ bụ mmepe obodo nke dị mma na nke bara uru.Ma ebe otu ndị ohi nwere ike ịnọ n'ọrụ na-enyefe ozi ụfọdụ ga-ebute ogbugbu mmadụ ma ọ bụ mmebi ụfọdụ ihe ndị obodo tinyere n'obodo ha. Site n'ihe ndị ọha obodo kwekọrịtara banyere ihe ụfọdụ, ụdị mmụta a bụ nke ọjọọ nke na-emegide obodo. Mmụta gụnyere nghọta, ncheta, mkpali mmụọ,nkwado,okike na mmepụta. Tupu e nwee ihe ọmụmụ, a ga-enwerịrị onye dị njikere ma nwee mmasị ịmụ ihe (ọmụụ). Na mgbakwụnye, e nwere ụfọdụ ngwa ndị e ji akụzi ihe dị ka onye nkụzi, ngwuru ọmụmụ (klaas) na ngwa ndị ọzọ a ga-etikọta ka ọmụmụ ihe mejupụta mbunuche ya (Udensị, 2015:12).

**Asụsụ**

Asụsụ bụ akara aka ike, nke ndị mmadụ na-eji akparịta ụka. Ezema (2007) kọwara na asụsụ bụ ụgbọ nke nzikọrịta ozi na nkwukọrịta okwu nke a na-eji n'ọnọdụ mmekọrịta ọ bụla. Ọnọdụ mmekọrịta ndị a gụnyere: agụmakwụkwọ, azụmahịa, ọchịchị na omenala. Obanye (1989: 27) n'akwụkwọ Ezema (2007) kwenyere na ọ bụ onyinye dị oke mkpa mmadụ nwere. Ọ gakwara n'ihu chọpụta na asụsụ bụ ngwa dị mma maka echiche na nchepụta. N'otu aka ahụ kwa, Bodi (1995:17) kọwara sị, "asụsụ bụ ụzọ njirimara, nke mmadụ na njirimara nke onwe; nke onye ọ bụla na nke usoro ọha". Yusuf (2012), n'aka nke ọzọ, hụrụ asụsụ dị ka usoro ịrịba ama zuru oke, nke na-enweghi usoro nzụkọ na ogogolo ngwụcha. Site na nkọwa niile ndị a, asụsụ dị oke mkpa n'ebe mmadụ nọ, nke a bụ n'ihi na e wepụ asụsụ, mkparịta ụka na nzikọrịta ozi agaghị enwe isi.

A bịakwa, e wepụ nzikọrịta ozi, a gaghị enwe mmepe na ọganihu n'obodo anyị na ala anyị gbaa gburu gburu.

N'ikpeazụ, Hammond (1975) na Bewaji (2002) chịkọtara ha niile ma kwuo na asụsụ bụ ihe nọ n'etiti, na-agba ndị mmadụ ume n'ihi na ọ bụ ụgbọ a na-esi na ya ezisa mpaghara omenala ndị ọzọ. Ọ bụ isi ụgbọ e si enweta omenala ndị mmadụ, kesaa ya ma gbasaa ozi ya. Asụsụ nọ n'etiti usoro mmekọrịta nke nwere ike iweta mmepe na ọganihu obodo.

**Ntụleghari atụtụ**

Atụtụ ọmụmụ ihe nke ọgụgụ isi Tolman bụ atụtụ dị obosara na-akọwa echiche na usoro uche dị iche na etu ha si emetụta ma ihe ndị a hụrụ anya ma ndị a na-ahụghị anya, iji mepụta ọmụmụ ihe nke onye ọ bụla. Tolman (1886-1951) kwuru na ndị mmadụ anaghị emeghari ma ihe metụta ha naanị mana ha na-eme ihe site na nkwenye, echiche, akparamagwa, mmetụta obi na ntachi obi n'ebe inweta ihe a chọrọ nọ. N'aka nke ọzọ, mmadụ niile na-ekepụta eserese ọgụgụ isi n'uche ya, ya bụ, ihe onyinyo nke ogige a hụrụ anya, na-echekwa ma na-ahazi ozi ndị ha nwekọtara site n'ihe na-apụta na mmemme ndị ha zutere n'usoro ọmụmụ ihe. N'ihi ya, ihe ndị ahụ dị ndụ na-amụ maka mmemme site na mpụtara e nyere ihe mkpali ahụ. Tolman bụ onye mbụ nwalere atụtụ ndabanye site na nkwenye na atụtụ mkpali nzaghachị, bụ nke na-anabataghị, ebe ọ bụ na nkwado adịghị mkpa tupu e nwee ọmụmụ ihe, ma kọwaa na agwa bụ naanị nke ọgụgụ isi. O kwenyere na gburu gburu ebe obibi na-enye ọtụtụ ahụmihe, nke e ji azụlite ihe onyinyo nke ime mmụọ, ya bụ, maapụ ọgụgụ isi. N'ihi ya, atụtụ ọmụmụ ihe, nke ọgụgụ isi, hibere isi n'ọgụgụ isi nke omume agwa mmadụ; ya bụ, ọ na-ekwusi ike na echiche nwere onwe na mpaghara nke omume mmadụ bụ ndị nke dị mma. Ọgụgụ isi na-arụtụ aka n'echiche mmadụ ọ bụla, mmetụta obi ya, ọgụgụ isi ya, amamihe na nghọta banyere onwe ya na gburu gburu ebe obibi. N'ihi ya, ihe ọ bụla dị ndụ na-etinye ọgụgụ isi n'ọmụmụ ihe nke ga-apụta n'ihe na-abụghị nzaghachi nke mkpali mmụọ mana itinye onyinyo nke gburu gburu ebe obibi anyị a hụrụ anya, iji mezue ihe e bu n'uche.

**Nchọcha e merela n'isi okwu**

Okedịadị (2011) mere nchọcha na mmụta asụsụ epum, amụma na mmasị ya. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta ma agụmakwụkwọ ọta akara na nke praịmarị n'ala anyị ana-eji asụsụ epum ma ọ bụ asụsụ ogige ahụ dị ka etu e siri nye iwu n'amụma ndị gọvment. Njieme nchọcha ndị e wekọtara gosiri na ọtụtụ ụlọ akwụkwọ, ndị nke ndị mmadụ new, na-eji asụsụ Bekee akụzi ihe ọmụmụ ha niile. O nweghi nke na-eji asụsụ epum ma ọ bụ jikọta ma asụsụ Igbo na asụsụ Bekee maka ọmụmụ ihe ha. Ọ dị mkpa ịmata na ụlọ akwụkwọ ise n'ime ụlọ akwụkwọ iri e jiri mee nchọcha ahụ anaghị akụzi Igbo ncha ncha dị ka otu n'ime ihe ndị ha na-amụ n'ụlọ akwụkwọ. Ha na-akọwa na ha enweghi ndị nkụzi asụsụ Igbo. Nchọcha a chọpụtara na ndị nkụzi niile nọ n'ụlọ akwụkwọ nke nkịtị ga-achọ ịhọrọ ịkụziri ụmụ akwụkwọ ha n'asụsụ Bekee. Ha ekwenyeghi n'ihe atụmatụ agụmakwụkwọ (NPE) tiri n'iwu ma ncha. Nchọcha a dị oke mkpa na nchọcha nke a na-eme ugbu a n'ihi na ọ gbara mbọ ịchọpụta ụfọdụ ihe ndị na-akpata agwa ọjọọ ụmụ akwụkwọ na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

Adesoye (a.a) mere nchọcha n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ n'ogo nka asụsụ Yoruba n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị Naịjirịa. Ebumnobi ya bụ ịchọpụta isi ihe mmetụta nke asụsụ n'obodo, akparamagwa n'obodo, ntụzi aka nke ọgụgụ isi nakwa amụma agụmakwụkwọ n'obodo n'akparamagwa n'asụsụ Yoruba. Nchọcha a gosiri na ụlọ akwụkwọ na ụlọ obibi nwere mmetụta siri ike n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe asụsụ nọ nakwa agwa ọjọọ ha n'ebe ọmụmụ Yoruba dị. Ihe

a chọpụtara na-egosi na agwa ụmụ akwụkwọ nwere ike inwe ogo mmetụta n'ebe ogo nka mmụta n'asụsụ Yoruba. Rizọlt e nwetara site na ntụcha njatụle gosiri aro, nke echiche na ndịna n'ijikọta ọmụmụ asụsụ (Coyle, 2006) na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Yoruba. Nchọcha a ga-enyere nchọcha nke a aka n'ihi na a ga-achọ ịmata ụfọdụ myiri nchọcha abụọ ndị a, ebe ha na-akọ maka asụsụ obodo abụọ dị iche iche.

**Usoro nchọcha**

Usoro nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ usoro sọvee nkọwa. Nwọrgụ (2015) kwuru na usoro sọvee nkọwa na-amụ maka ọnụ ọgụ site n'ịchọ ma mụọ nsere a họrọ site n'ọnụ ọgụgụ iji chọpụta etu e siri kee ihe omume ikwu na ibe na mmekọrịta mgbanwe, nke ọha mmadụ na nke mmụta uche bụ ndị mebere ọnụ ọgụgụ nchọcha. A nabatara usoro nchọcha a dị ka nke dị mma na nchọcha a n'ihi na ndị nchọcha nwere mmasị n'ịchọpụta akparamagwa ndị na-anaghị asụ Igbo n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihe ọmụmụ GSP 208 na Mahadum nke Naịjirịa, Nsụka. Ihe kpatara e jiri họrọ ebe nchọcha a bụ na klasị GSP bụ nke izugbe maka ụmụ akwụkwọ batara n'otu afọ n'agbanyeghi ngalaba ha nọ n'agụ akwụkwọ. Ọnụ ọgụ, ndị e jiri mee nchọcha, bụ ụmụ akwụkwọ dị narị abụọ na iri atọ na isii bụ ndị na-anaghị asụ Igbo sitere na ngalaba dị iche iche na-eme ihe ọmụmụ GSP 208 na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. A họrọ ụmụ akwụkwọ ndị na-anaghị asụ Igbo dị otu narị site n'iji usoro tụmbọm tụmbọm maka nchọcha. E jiri usoro ọnụ ọgụ nke nkọwa tụchaa ndị e jiri mee nchọcha.

| Nkwupụta maka Ihe | Nwoke/ Nwunye | Ọgụ | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Uche Onye |
|---|---|---|---|---|---|
| Ihe 1: E nwere ngwa na-ezughị oke n'asụsụ | Nwoke | 43 | 2.20 | 1.26 | Ekweghi |
| Igbo | Nwaanyị | 54 | 1.79 | .80 | Ekweghi |
| Ihe 2: Ịkụziri ndị na-anaghị asụ Igbo asụsụ | Nwoke | 43 | 2.18 | 1.23 | Ekweghi |
| Igbo adịghị mma. | Nwaanyị | 54 | 1.87 | .95 | Ekweghi |
| Ihe 3: Ọdịdị asụsụ Igbo edoghi anya. | Nwoke | 43 | 2.11 | 1.15 | Ekweghi |
| | Nwaanyị | 54 | 2.81 | .84 | Kwere |
| Ihe 4: Ndị na-asụ asụsụ Igbo n'onwe ha ahụghị | Nwoke | 43 | 2.73 | 1.18 | Kwere |
| asụsụ ha n'anya. | Nwaanyị | 54 | 1.83 | .88 | Ekweghi |
| Ihe 5: Ndị nkụzi na-eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo | Nwoke | 43 | 2.16 | 1.21 | Ekweghi |
| bụrụ ihe siri ezigbo ike nye ụmụ akwụkwọ. | Nwaanyị | 54 | 1.85 | .91 | Ekweghi |
| Ihe 6: Ịmụ ka e si agụ naka e si ede asụsụ Igbo | Nwoke | 43 | 3.27 | 1.11 | Kwere |
| bụ nnukwu ọrụ nye anyị. | Nwaanyị | 54 | 3.59 | .78 | Kwere |
| Ihe 7: Ana m amụ asụsụ Igbo naanị ka m ji | Nwoke | 43 | 2.20 | 1.26 | Ekweghi |
| gafee n'ule. | Nwaanyị | 54 | 1.83 | .90 | Ekweghi |
| Ihe 8: Asụsụ Igbo enweghi ebe ọ ga-edu m gaa. | Nwoke | 43 | 3.32 | .60 | Kwere |
| | Nwaanyị | 54 | 3.59 | .49 | Kwere |
| Ihe 9: Asụsụ Igbo na-enwere ala n'ụwa niile. | Nwoke | 43 | 3.41 | .49 | Kwere |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| | Nwaanyị | 54 | 3.40 | .49 | Kwere |
| Ihe 10: A naghị eji asụsụ Igbo enye ọrụ ụlọ iji gbatịa ọmụmụ ihe. | Nwoke | 43 | 2.11 | 1.15 | Ekweghi |
| | Nwaanyị | 54 | 1.85 | .91 | Ekweghi |
| **Miin Niile** | **Nwoke** | **43** | **2.61** | **.79** | **Kwere** |
| | **Nwaanyị** | **54** | **2.54** | **.56** | **Kwere** |

Akwụkwọ njụmaza nke nwere ajụjụ dị iri abụọ na ụyọkọ abụọ ka ndị nchọcha mepụtara maka nchọcha a. Ihe a kpọrọ akwụkwọ njụmaza a bụ "Akparamagwa ndị na-anaghị asụ Igbo n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ". Ya ka e jiri nweta ihe e jiri mee nchọcha a. E jiri ntụ isi okwu anọ mee njụmaza nchọcha a nke azịza ha bụ nkwenyesi ike (NI) nkwenye (N) Ekwenyeghị (E) Ekwenyesighị ike (EI) ọnụ ọgụgụ e nyere ha bụ 4, 3, 2 na 1 ka e nyere azịza ọ bụla site na nke nnukwu gbadata na nke obere. Ndị ọkacha mara mmadụ atọ nyochara ngwa nchọcha a; otu n'ime ha sitere na Ngalaba Ntụ na Ntụle, ebe mmadụ abụọ ndị ọzọ sina Ngalaba Amụmamụ Asụsụ. Ha niile sina Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

**Nchọpụta**

Gbasara ihe na-akpata akparamagwa, ndị na-anaghị asụ Igbo, n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ, e ji miin na ndịpụ n'izugbe tụnyere ụmụ akwụkwọ, ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo, n'ihe kpatara agwa ha na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ. Miin e ji tụnyere ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo n'ebe ihe kpatara ha ji akpa agwa ha na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. O gosiri miin e ji tụnyere ụmụ akwụkwọ n'ajụjụ 1, 2, 3, 5, 7 na 10 dị obere karịa 2.50 bụ akara e ji atụnyere miin ya; ebe miin e ji tụnyere ajụjụ 4, 6, 8 na 9 karịrị ọnụ ọgụgụ 2.50 e ji atụnyere ya. Ihe nke a pụtara bụ na ụmụ akwụkwọ kwenyere n'ajụjụ ndị pụtara na 4, 6, 8 na 9 bụ ihe kpatara akparamagwa ụmụ akwụkwọ na-anaghị asụ Igbo na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Etu o sịla dị, miin niile e ji tụnyere bụ 2.61 na 2.54 maka ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo na-akọwa na ụmụ akwụkwọ ndị nwoke nwere miin karịrị ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị.

**Ụma Okwu$_1$:** E nweghi ndịmiche pụtara ihe na miin e ji atụnyere ndị nwoke na ndị nwaanyị bụ ụmụ akwụkwọ na-anaghị asụ Igbo n'ebe ihe kpatara ha ji akpa agwa ha na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ.

**Okpokpo 2:** Nkọwasị nnwale-t maka ndịmiche dị na miin e ji tụnyere ndị ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị n'ihe na-ebute akparamagwa ha na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

| Nwoke/Nwaanyị | Ọnụ ọgụ | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Ndịmiche | Nnwale | Ndịmichepụtara ihe |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Nwoke | 43 | 2.51 | .79 | 95 | 1.247 | .216 |
| Nwaanyị | 54 | 2.34 | .56 | | | |

Okpokpo 2 na-egosi na e nweghi ndịmiche pụtara ihe na miin e ji atụnyere ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo n'ihe na-ebute akparamagwa ha na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ.

$t(95) = 1.247$; $P = 216$. Ya bụ, a nabatara ụmaokwu ya, ebe ọ bụ na akara, nke e nwere ike ịnabata, bụ 0.978, karịrị 0.05 bụ ogo pụtara ihe.

Gbasara ka ogo akparamagwa ụmụ akwụkwọ na-anaghị asụ Igbo si metụtadebe ọmụmụ asụsụ Igbo, okpokpo miin na ndịpụ n'izugbe e ji atụnyere ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị, ndị na-anaghị asụ Igbo na etu ogo akparamagwa ha si metụtadebe ọmụmụ asụsụ Igbo ha.

| **Nkwupụta maka Ihe** | **Nwoke/ Nwaanyị** | **Ọnụ ọgụ** | **Miin** | **Ndịpụ n'izugbe** | **Uche Onye** |
|---|---|---|---|---|---|
| Ihe 11: Ọmụmụ asụsụ Igbo mere ka m nwee ezi | Nwoke | 43 | 3.53 | .73 | OEE |
| mmekọrịta n'obobo ebe m bi. | Nwaanyị | 54 | 3.61 | .49 | OEE |
| Ihe 12:Nghọta asụsụ Igbo mere ka ọ dịrị m mfe ụ | Nwoke | 43 | 2.18 | 1.23 | OA |
| na onye Igbo ọ bụla imekọrịta ebe ha ka n'ọnụ | Nwaanyị | 54 | 1.83 | .88 | OA |
| ọgụgụ. | | | | | |
| Ihe 13: Enwere m ike ịgụ ma dee asụsụ Igbo. | Nwoke | 43 | 2.09 | 1.15 | OA |
| | Nwaanyị | 54 | 1.77 | .83 | OA |
| Ihe 14: Ndị klaasị L2,ndị na-abụghị ndị Igbo | Nwoke | 43 | 3.39 | 1.04 | OE |
| nyeere m aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo. | Nwaanyị | 54 | 3.53 | .92 | OEE |
| Ihe 15: Ịmụ ọgụgụ na odide asụsụ Igbo dịịrị m | Nwoke | 43 | 3.60 | .90 | OEE |
| mfe. | Nwaanyị | 54 | 3.79 | .52 | OEE |
| Ihe 16: O nweghi onye m na-atụ egwu n'ogige | Nwoke | 43 | 3.67 | .77 | OEE |
| ebe m bi ebe ọ bụ na m na-aghọta asụsụ Igbo. | Nwaanyị | 54 | 3.59 | .71 | OEE |
| Item 17: Ịkụzi asụsụ Igbo na-amasị m. | Nwoke | 43 | 3.41 | 1.07 | OE |
| | Nwaanyị | 54 | 3.61 | .81 | OEE |
| Item 18: Ọmụmụ asụsụ Igbo nyere m aka ịghọta | Nwoke | 43 | 3.58 | .82 | OEE |
| omenala Igbo. | Nwaanyị | 54 | 3.64 | .67 | OEE |
| Item 19: Ọmụmụ asụsụ Igbo emeela ka ịzụ ihe | Nwoke | 43 | 3.44 | .54 | OEE |
| dị mfe | Nwaanyị | 54 | 3.66 | .51 | OEE |
| Item 20: Ana m emesapụ ahụ mgbe ọ bụla mụ na | Nwoke | 43 | 3.69 | .46 | OEE |
| ndịIgbo nọ. | Nwaanyị | 54 | 3.53 | .50 | VHE |
| **Miin Niile** | Nwoke | **43** | **3.26** | **.35** | **OE** |
| | Nwaanyị | **54** | **3.23** | **.25** | **OE** |

Okpokpo 3 na-egosi miin e ji tụnyere ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị ndị na-anaghị asụ Igbo n'etu ogo akparamagwa ha sị metụtadebe ọmụmụ asụsụ Igbo ha. Ntụcha a gosiri na miin niile e ji tụnyere ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị bụ 3.26 na 3.23 n'otu n'otu nke na-egosi na ogo akparamagwa ha n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị nwere nnukwu mmetụta.

**Ụma Okwu2:** E nweghi ndịmiche pụtara ihe na miin e ji tụnyere ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo n'ihe gbasara etu ogo akparamagwa ha si emetụtadebe ọmụmụ asụsụ Igbo ha.

**Okpokpo 4:** Ntụchasị nnwale-t, nke ndịmiche nọ na miin ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị na etu ogo akparamagwa ha si emetụtadebe ọmụmụ asụsụ Igbo ha.

| Nwoke/Nwaanyị | Ọnụ ọgụ | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Ndịiche | Nnwale | Ndịmiche pụtara ihe |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Nwoke | 43 | 3.26 | .35 | 95 | .027 | .978 |
| Nwaanyị | 54 | 3.26 | .25 | | | |

Okpokpo 4 na-egosi na o nweghi ndịmiche pụtara ihe na miin e ji atụnyere ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo na etu ogo akparamagwa ha si metụtardebe ọmụmụ asụsụ Igbo ha, t(95) - .027, P = .978. Ya bụ, a jụrụ ụma okwu, ebe ọ bụ na ntụ e nwere ike iji tụọ ya, bụ 0.978, karịrị ogo 0.05 bụ ogo pụtara ihe.

**Ụbụbọ**

Ihe a chọpụtara na nchọcha a na-akọwa na ndị ọza ajụjụ kwenyere na e nwere agwa ọjọọ ndị ụmụ akwụkwọ ndị na-anaghị asụ Igbo na-akpa n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụ ihe kpatara ha ji ahụta asụsụ Igbo dị ka ihe ọmụmụ siri ike e nwere ike ịmụ. Nke a pụtara ihe n'ajụjụ anọ a jụrụ n'ihe kpatara akparamagwa ndị na-anaghị asụ Igbo na-akpa nwere miin karịrị miin nke e ji atụnyere ya bụ 2.50. Nchọpụta a dabara n'ihe Adesoya (a.a) onye kọwara na akparamagwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ asụsụ nke abụọ nwere ike inwe nnukwu mmetụta na mmụta nke asụsụ ahụ. Iji gbakwasị ụkwụ na nsogbu akparamagwa ndị a na-enwe n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ, nchọpụta kọwakwuru na miin niile e ji atụnyere ma ndị nwoke na ndị nwaanyị bụ ndị na-anaghị asụ Igbo bụ 3.26 na 3.23 n'otu n'otu. Nke a na-egosi na agwa ha n'ebe asụsụ Igbo na-emetụta ebe ọ dị ukwuu ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a dabanyere na atụtụ ọmụmụ ihe ọgụgụ isi Tolman nke isi okwu ya bụ na mmadụ anaghị azaghachi naanị ihe kpaliri ya mana o nwere ike ime ihe site na nkwenye, echiche, akparamagwa, mmetụta obi na mgbasi ike inweta ihe a chọrọ.

Nchọpụta na-akọwa na a bịa n'ụma okwu nke mbụ, bụ ihe kpatara agwa ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị na-anaghị asụ Igbo na-akpa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo ha nọ, e nweghi ndịmiche a hụrụ anya n'etiti ndị ọza ajụjụ n'ihe gbasara ihe na-ebute agwa ndị ụmụ akwụkwọ na-anaghị asụ Igbo n'ebe ọmụmụ ihe asụsụ ha nọ.Nchọpụta ha na-egosi na n'etiti ihe ndị ọzọ na agwa ụmụ akwụkwọ na-anaghị asụ Igbo na-emetụta ha n'ụzọ ọjọọ n'ebe ọmụmụ ihe ya nọ. Nchọpụta nke ụma okwu nke abụọ na-egosi na o nweghi ndịmiche a hụrụ anya n'etiti ndị ọza ajụjụ n'ebe ihe gbasara ogo akparamagwa ndị a ha-akpa na-emetụtaru n'ebe ọmụmụ ihe ya dị. Nchọpụta na-egosi na agwa ụmụ akwụkwọ na-akpa n'ebe ọmụmụ ihe ha nọ na-emetụta ha ebe ọ dị ukwuu n'ịmụ asụsụ Igbo.

**Mmechi**

Akparamagwa ndị na-abụghị ndị nwe ala n'ọmụmụ asụsụ nke abụọ ka e nwereike ịmata site n'ogo itinye uche na isonye n'ọmụmụ ihe. Nchọcha a kpughere ọtụtụ ihe nke gụnyere ejighi ihe kpọrọ ihe, ihe omume na-agwụ ike, agwa ndị nkụzi asụsụ, na enweghi ngwa nkụzi dị ka nsogbu nke ndị ụmụ akwụkwọ na-anaghị asụ Igbo nwere n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ. Site n'ihe ndị a chọpụtachara n'ihe ọmụmụ a, a ga-ekpebi na ọtụtụ n'ime ụmụ akwụkwọ na-ahụta ọmụmụ asụsụ Igbo dị ka ihe gbasara agụmakwụkwọ naanị na-enweghi uru ọ ga-abara ha ma ha gụchaa

mahadum pụta. Ọzọ kwa, ụfọdụ ndị nkụzi Igbo na mahadum enweghi ngwa ndị ha kwesiri inwe iji kpalie mmụọ ụmụ akwụkwọ. Ihe ndị a niile na-eme ka nkụzi sie ike ma bụrụ ihe na-adịghị ụtọ.

**Aro**

Site n'ihe ndị a chọpụtara n'ihe ọmụmụ a, ndị nchọcha tụpụtara aro ndị a: Ọ dị oke mkpa ime ka usoro e ji akụzi nkụzi dị mfe iji mee ka ụmụ akwụkwọ nwee mmasị n'ihe ọmụmụ.; ndị na-abụghị ndị Igbo na-amụ asụsụ kwesiri ka e nye ha ihe ndị ha chọrọ na ihe ndị na-akpali mmụọ ha maka nzikọrịta ozi dị mma; e kwesiri inye ha ogologo oge bụ ndị na-abụghị ndị Igbo na-amụ asụsụ Igbo ka ha nwee ike ghọtakwuo asụsụ ahụ nke ọma.

**Nrụmaka**

Abekah (2009). God's gift of language. www.amazon.COMs.

Adesoye, M. (a.a). Students' attitude and proficiency in Yoruba language in Nigerian secondary schools: A case study of a privately owned school in Kwara state, Nigeria. MA in Education. www.academia.edus (Ụbọchị Maach 26, 2020).

Agha, A. (2006). *Language and social relations*. Cambridge University Press.

Bewaji J.A.I (2002). African language and culture discourse. N'Olusegun Oladipo, (Ọhz.). *The third way in African philosophy: Essays in honour of Kwasi Wiredu*. Hope Publications.

Eagly, A.H & Chuiken, S. (1998). *Attitude structure and function*. Na D.T. Gilbert, S.T. Fiske and G. Lindzey (Ọhz.). *The handbook of social psychology* (4th ed. 269-322). Oxford University Press.

Ezema, P.A (2007). The cultural dimension of language teaching and learning: *Nsukka journal of the humanities*. No. 16

Higard, E. (1962). *Introduction to psychology*. Harcourt, Brace & World.

Igbokwe, B.N (2013). Language of identity: A case of Igbo language, Nigeria. *International journal of development and management review* 8(1).

Mbanugo, C.E. (2006). Music principle for individualised performance studies: The Nnamdi Azikiwe University, Awka approach. *Interlink: A journal of research in music*, 3, 41-55.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research, basic issues and methodology*. University Trust Publishers.

Obayi, J.J (2018). Language and conflict resolution among the cultural groups of South East zone of Nigeria. *Institute of education journal*. 30. 325-337.

Obaegbu, A.U (2010). Language and issues in Igbo language development. Ngụpụta igodo, nke a gụpụtara na mgbakọ ọmụmụ, nke 5 nke otu *Igbo Studies Association* (ISA).

Okediadi, N. (2011). Literacy in the mother tongue: Publicy versus preference. Na N. Ezenwa-Ọhaeto & I.J. Ogbozi (Ọhz). Na *Perspective of language and literature: Essay in honour of R.U. Uzoezie*. Ihu 39-49. Rex Charles and Patrick.

Ọnụkawa, M.C. (2014). Importance of language – Why learning a second language in important. www.discover.trinity.edu/

Ọnwụekwe, A.I. (2014). Compiled monographs and notes. Ngalaba Egwu, Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka.

Oyelami, M.O. (2008). Development of Igbo e-learning System. *Turkish online journal of distance education*. 9(4), 8-17.

Stauss, A. & Corbin J. (1996). Analytic ordering for theoretical purposes. https://journals.sagepub.com/doi10 (Ụbọchị mbutu Juun 1, 2019).

Udensi, J.K. (1999). Constraints to effective foundation of general studies in education. *Journal of general studies in education*. 2.

Umo, C. (2013). Igbo language and identity. *Journal of literature and arts studies*. 3(9) 576-588.